Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.7 No.4 December, 2024; p.g. 173 – 182; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

ADỊMIKE AJỌ AKPARAMAGWA ỤMỤAKWỤKWỌ MAHADUM NAỊJIRỊA, NSỤKA NKE STETI ENUGWU NWERE N'ỌMỤMỤ ASỤSỤ IGBO

Si N'aka

EZEMA, CHINENYE ANTHONIA[1]

Humanities Unit, School of General Studies/

Department of Arts Education, Faculty of Education

08037728086

chinenye.ezema@unn.edu.ng

Na

UDENSI, PEACE EBERE[2]

Humanities Unit, School of General Studies/

Department of Linguistics and Igbo

Faculty of Arts

08162529356

ebere.udensi@unn.edu.ng

[1, 2] UNIVERSITY OF NIGERIA, NSUKKA

Ụmị

Nchọcha a lebara anya n'adịmike ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ Mahadum Naịjirịa, Nsụka nke Steti Enugwu nwere n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ajụjụ nchọcha atọ ka eguzobere maka ọrụ nchọcha a. Ụdị nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Ebe a nọ mee nchọcha kpọmkwem bụ na Mahadum Naịjirịa, Nsụka na Steti Enugwu. Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ nọ afọ nke mbụ na nke abụọ bụ ndị na-eme ọmụmụ izuzugbe GSP 207 na GSP 208 dị puku asaa, narị asato na iri ise na asaa (7,857). E ji usoro pasenteji họrọ ụmụakwụkwọ dị puku abụọ, narị atọ na iri ise na asaa (2,357) bụ pasenti iri atọ ọnụọgụ ụmụakwụkwọ. Ụdị ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha bụ ajụjụ njụmaaza dị iri abụọ na otu (21) n'ọnụọgụ nke isiokwu ya bụ Adịmike Ajọ Akparamagwa Ụmụakwụkwọ Mahadum Naịjirịa, Nsụka nwere N'ọmụmụ Asụsụ Igbo (AAAỤMNNNAI). E ji usoro miin na ndịpu n'izugbe wee hazie nchọcha a. Nchọpụta gosiri na ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ nwere mmetụta dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka. Ụmụakwụkwọ anaghị enwe ezigbo mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na ha na-eche na o nweghị uru ọbụla ọmụmụ asụsụ Igbo ga-abara ha na ndụ ha n'ọdịnihu. Nchọpụta gosikwara na ụmụakwụkwọ na-eme ihere ịbịa ọmụmụ asụsụ Igbo ihi na echiche ha bụ na o nweghị uru dị na ya. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ gosipụtara na ha anaghị aghọta ihe a na-akụzi n'oge ọmụmụ asụsụ Igbo, nke a bụ n'ihi na ha enweghị mmasị ịmuta ihe ọbụla a na-akụzi na ya. Ụmụakwụkwọ anaghị azụta akwụkwọ e dere n'asụsụ Igbo, nke a bụ akparamagwa ụmụakwụkwọ mụtara n'aka ndị nne na nna ha mere ka ha nwee akpọmasị n'ebe asụsụ Igbo nọ. Aro ndị nchọcha gbadoro ụkwụ na ka ndị isi n'ụlọakwụkwọ Mahadum na ndị nhazi ihe ọmụmụ dị n'aka kewapụta oge maka ọmụmụ asụsụ dịka ihe ọmụmụ izuzugbe (General Studies) na Mahadum Naịjirịa, Nsụka. A na-atụkwa aro ka ndị nne na nna na-asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ bụ nke ga-eme ka ha nwee mmasị n'ịsụ na n'ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ Mahadum ọkachasị na Mahadum Naịjirịa, Nsụka; ka Gọọmenti Mahadum Naịjirịa, Nsụka mapụta otu ụbọchị n'afọ agụmakwụkwọ ọbụla iji na-akọwara ma na-akụzikwara ụmụakwụkwọ mkpa ọ dị ịga na ịmụ ihe ọmụmụ izuzugbe ọkachasị n'asụsụ Igbo tinyere na ndị isi ụlọakwụkwọ kwesịrị iguzobe ihe nrite puru iche maka nwaakwụkwọ

kacha mee nke ọma n'asụsụ Igbo kwa afọ ọbụla nakwazi inye ya ọrụ nkụzi ozugbo ọ gụchara akwụkwọ.

Ọkpụrụkpu Okwu: Ajọ Akparamagwa, Mahadum, Ụmụakwụkwọ, Ọmụmụ Izuzugbe, Ọmụmụ Asụsụ Igbo

Mkpọlite

Asụsụ bụ ụzọ e si egosipụta echiche maọbụ ebumnobi mmadụ site n'ederede maọbụ n'ekwurekwu. Ọ na-enye aka ịhụ na mmadụ nwetara amamihe. Ọ bụ mkpunye e ji aba n'ime obi mmadụ iji ghọta ebumnuche ya. Sapir (2021) kwọwara asụsụ dịka ụzọ mmadụ si ezipụta echiche ha, mmekọrịta mmadụ na ibe ya tinyere nkwenye ha sitere akara na ụda a nabatara. N'aka nke ha, Ugwuoke, Eze na Akaeze (2021) kwadoro na asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si ezikọrịta ozi ma bụrụ ihe eji ama mba.

N'ime asụsụ niile e nwere na Naịjirịa, naanị asụsụ atọ kacha pụta ihe. Ha bụ asụsụ Awụsa, asụsụ Igbo tinyere asụsụ Yoruba. Asụsụ Igbo so n'asụsụ atọ atụmatụ maka agụmakwụkwọ nke Gọọmenti Naịjirịa (2015) kwadoro na a ga na-amụ n'ụlọakwụkwọ. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo na-asụ ndị e nwere na Naịjirịa na steeti ise nke gụnyere: Abịa, Anambara, Ebonyi, Enugwu na Imo. E nwekwara mpaghara steeti Delta na Rivasị ebe a na-asụ asụsụ Igbo. Asụsụ Igbo bụ asụsụ epum n'ebe ụmụaka Igbo ndị nne na nna ha na-asụrụ asụsụ Igbo. N'ihi uru asụsụ epum bara n'ịkwalite ogo mmụta nwata mgbe ọ na-etolite etolite, e mere asụsụ Igbo dịka ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ (NPE, 2015). N'ọtụtụ ụlọakwụkwọ dị n'ala Igbo a na-akụziri ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo ma n'ogo praịmarị nakwa ogo sekọndịrị. Nkọwa a gosiri na asụsụ dị mkpa n'ebe mmadụ na ibe ya nọ maka na ọ bụ ya n'agbazi akparamagwa ụmụaka n'obodo.

Asụsụ Igbo si n'otu asụsụ 'kwa'. 'Kwa si n'ezinaụlọ asụsụ Niger-Congo. Asụsụ ndị ọzọ sokwa n'otu asụsụ a bụ Yoruba, Edo, Igala, Idoma, were dịrị gawa n'ihi na bụcha asụsụ ụdaolu. Eze na Umo (2021) kọwara na asụsụ ụdaolu na-eji ogoolu ezipụta ndịiche dị n'etiti mọfịm abụọ maọbụ karịa, nkebiokwu abụọ maọbụ karịa bụ ndị yitere onwe ha site n'ụdaume maọbụ myiriụdaume dịgasị na ha. Ihe nkọwa dị n'elu na-akọwa bụ na asụsụ ụdaolu pụtara iji ụdaolu agbanwe nghọta mkpụrụokwu ndị nwere otu nsụpe. N'aka nke ọzọ, asụsụ ụdaolu na-adị mfe n'ịsụpe. Dịka Ezema na Aboh (2020) sị kọwaa asụsụ Igbo so n'asụsụ nsụpe ya mkpụrụokwu ya na-adị mfe n'ihi na, ọ bụ otu e si akpọpụta mkpụrụokwu bụ ka e si ede ya (ya bụ, nsụpe).

Dịka ọtụtụ asụsụ ndị ọzọ dị na mba Afrika, asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olundị bụ nke e ji ọtọgrafị na ụdaasụsụ ezipụta ndịiche ha ma na-ezipụta otu echiche. N'agbanyeghị na e nwere ọtụtụ olundị n'asụsụ Igbo, e nwere asụsụ izugbe akpọrọ Igbo Izugbe bụ nke a nabatara iji kuzie ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ n'ogo dị iche iche, zie ozi n'ụlọ mgbasa ozi nakwa n'ụlọọrụ gọọmentị (Ezema, Chineke na Ude, 2021). N'iga n'ihu, Nwozuzu (2015) kọwara Igbo Izugbe dịka asụsụ Igbo nke onye Igbo ọbụla na-aghọta. Nke a bụ ezie n'ihi n'agbanyeghị mpaghara ala Igbo ọbụla nwaafọ Igbo si, ọ na-anụ ma na-aghọtakwa Igbo Izugbe. Na nkọwa nke ha, Anigbo na Okoli (2016) kọwazikwara na Igbo Izugbe bụ asụsụ Igbo nke e ji ede ihe n'ihi na ọ na-agbaso usoro odide Maazị Ọnwụ, S. E. na ndị kọmitii ya wepụtara n'afọ 1961, bụkwanụ nke ndị Igbo niile nabatara ruo taa.

Asụsụ Igbo dị nnukwu mkpa n'ebe ndị Igbo nọ. A na-ahụ asụsụ Igbo ka ngwaọrụ na-enyere mmadụ aka ikwu okwu, ịkọwa mmetụta ya, ikwu ebe o si, nkwalite na nwulite agamnihu,

mmekọrịta na ịdị n'otu. N'ịga n'ihu ịhụ na asụsụ Igbo na-eto, e guzobere otu Ịkwalite Asụsụ na Omenala Igbo (SPILC) ndị otu ebumnobi ha dịka Nwadike (2008) si kwuo bụ ịgba mbọ hụ na asụsụ Igbo ga-abụ otu asụsụ e ji azụ ahịa ma na-ezikọrịta ozi nye ogo ọbụla na gọọmentị. N'agbanyeghị mbọ niile ndị ọkammụta ndị a gbara, e nwere ike ịjụ ajụjụ sị, gịnị mere ndị Igbo ejighị asụsụ Igbo kpọrọ ihe. Ọtụtụ ajọ akparamagwa ndị a pụtara ihe n'ụlọakwụkwọ praịmarị, sekọndịrị, kọleji na mahadum bụ ndị nwere ike ịkpata n'asụsụ Igbo anaghị aga n'ihu ka atụrụ anya ya.

N'ịkwadọ nke a, Udensi (2009) kwuru na-enweghị mmasị n'ebe ndị na-asụ asụsụ nọọ, ndị na etozughị oke n'ebe ihe gbasara ọtọgrafịị na akwụkwọ ọgụgụ nke e dere n'asụsụ ha nọ, socha n'ụfọdụ ihe ndị kpatara na ndị Igbo ejighị asụsụ ha kpọrọ ihe. Agwa na nsirihụ ha n'ebe asụsụ ha nọ jọgbụrụ onwe ya. Akparamagwa ha n'asụsụ Igbo sitere na nkwenye na ka siri ahụta asụsụ Igbo bụ nke ha na-egosi na ọ naghị ebuli mmadụ elu n'ogo na n'ọkwa. Mgbe nwatakịrị na-etolite, nne, nna, ụmụnne, ndị na agbataobi na-enwe mmetụta na nkwenye na echiche ya. Mmetụta ndị a nwere bụrụ na nnabata asụsụ ọ ga-enweta na ndụ.

Dị ka Ebubechineke (2020) kọwara na nkuzi asụsụ bụ ụzọ e si enweta ezi akparamagwa nke a tụrụ anya na nka ọmụmụ ga-enye mmadụ. Akparamagwa obodo nye asụsụ dịka ezigbo maọbụ ajọ agwa a na-akpaso otu maọbụ ọtụtụ asụsụ nke metụtara aka na ka e si ejikwa, akwanyere ya ugwu, aghọta maọbụ ka esi e ji ya eme ihe. Agwa ndị a nwere ike ịbụ ezigbo maọbụ ajọ akparamagwa nke na-emetụta echiche na nsirihụ ya gbasara asụsụ a na-asụ na gburugburu nwata.

Oge nwata bidoro akwụkwọ, akparamagwa ya nye asụsụ ya na-ezipụta onwe ya. Ọ bụghị naanị ezinaụlọ na-enye nwata metụta a, ụlọakwụkwọ sokwazi. Ọtụtụ ụlọakwụkwọ na-amachibido ụmụaka ịsụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ na gburugburu ya (Eze, 2022). Ọtụtụ agwa a na-ahụta ụmụaka na-akpa bụ nke ha mụtara n'aka ndị nne na nna n'ezinaụlọ, ndị nkuzi n'ụlọakwụkwọ na mmekọrịta ndị enyi na agbataobi ha. Mmadụ na-amụta akparamagwa dabara adaba na ndụ nke onwe ya, ya bụ ka o si ahụ onwe ya na ndị ọzọ.

Akparamagwa na-enwe mmetụta nye ụmụakwụkwọ etu o si emetụta ọnọdụ, mmekọrịta n'etiti ya na ndị ọzọ, akparamagwa ya n'ọmụmụ ihe n'ụlọakwụkwọ. Agụmakwụkwọ dịka Kind, Jones na Baruby (2007) si rụtụ aka, ịmụta ezi akparamagwa nye agụmakwụkwọ dị oke mkpa nye nwata akwụkwọ ọbụla ime nke ọma n'ihe ọ na-agụ.

Ajọ akparamagwa nye asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ na-esite na akpọmasị nwatakịrị nwere nke sitere n'ụlọ na n'ezinaụlọ ya ebe nne na nna egbochi ya ịsụ asụsụ rue n'ụlọakwụkwọ ebe a na-amachibido ya ịsụ asụsụ Igbo. Asụsụ Igbo enweghị ike ịdị nnukwu mkpa karịa ka ndị Igbo si akwanyere ya ugwu. Ọ bụ ndị nwe asụsụ ma na-asụ ya nwere mkpebi idebe asụsụ ha n'ogo ha chọrọ. Ọ bụrụ akparamagwa ndị Igbo nyere asụsụ ha ka ọ ga-enwe.

Otu ụzọ e si akụziri mmadụ akwụkwọ maọbụ aka ọrụ bụ asụsụ. Asụsụ Bekee bụ asụsụ e ji akụzi akwụkwọ, asụsụ gọọmentị, asụsụ azụmahịa nzirita ozi bụzi nke ndị Igbo na-enwezi nnukwu mmasị n'ịsụ nakwa ịmụ ya. Ndị Igbo hapụziri iji asụsụ ha kpọrọ ihe malite na praịmarị ruo na mahadum n'ihi na asụsụ e ji arụ ọrụ maọbụ akụzi akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ bụ asụsụ Bekee. Maka nke a, mmasị ha n'ebe asụsụ Igbo nọ ji nwayọọ na-anyụ ka ọkụ.

Mmadụ inwe mmasị n'ihe ọ na-eme na-esite n'ụdị ọnọdụ onye ahụ hụtara onwe ya. Nwigwe na Ekwenze (2017) kọwara na mmadụ na-enwe mmasị n'ihe, n'ihi ihe ọ ga-erite dị ka uru n'ihe ahụ o nwere mmasị na ya. Mmasị bụ agwa mmadụ na-akpa iji gosi ka ihe si dị ya mkpa maọbụ ka o sighị dị ya mkpa, nke hibere isi n'aka onye nọ n'ọnọdụ ime mkpebi. Ndị mmadụ na-aka enwe mmasị n'ihe ha na-anụ kwa mgbe kwa mgbe karịa nke ha na-anụchara anụchara, tụmadị asụsụ Igbo.

Ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ nye ọmụmụ asụsụ Igbo bụ otu nnukwu ihe na-enye ọtụtụ ụmụakwụkwọ nọ na Mahadum Naịjirịa, Nsụka nsogbu. Ọ bụghị naanị na Mahadum Naịjirịa, Nsụka kama ọ bụkwazi na mahadum ndị ọzọ dị n'ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ ndị a na-adọghachi nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo azụ.

N'ihi ajọ ọnọdụ a ka nchọcha a ga-eleba anya n'ịchọpụta ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ nye ọmụmụ asụsụ Igbo ihe na-ebute ya na ka a ga-esi kwalite ya na Mahadum Naịjirịa, Nsụka. Ọ bụ nke a ka ndị nchọcha ji chọọ ileba anya na adịmike ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ Mahadum Naịjirịa, Nsụka nke Steti Enugwu nwere n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Nsogbu Nchọcha

Dịka ndị nchọcha na-akụzi ihe ọmụmụ izuzugbe (General Studies) na mahadum Naịjirịa ọtụtụ afọ, nke a na-akụzi ma na-amụ asụsụ Igbo na ngalaba nke Humanities, ha chọpụtara ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ n'ebe nkuzi na ọmụmụ asụsụ dị. Oge na ụbọchị a na-akụzi maọbụ na-amụ maka Philosophy, Logic na Human Existence, ụlọ ezumezu ebe a na-anọ akụzi ma na-amụ ihe na-eju n'ọnụ. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-anọrọkwa n'ezi, mana oge na ụbọchị ndị a na-akụzi ma na-amụ maka asụsụ Igbo, ụmụakwụkwọ nọ n'otu ụlọ ezumezu ahụ a na-anọ anaghị eru otu n'ime ụzọ anọ n'ime ụmụakwụkwọ niile kwesịrị ịbịa ọmụmụ ahụ.

Ụmụakwụkwọ anaghị egosi mmasị na ezi akparamagwa n'oge a na-enwe ihe ọmụmụ n'asụsụ Igbo. Ndị nchọcha na-eche na mwepu ewepuru ọmụmụ asụsụ Igbo ka ọ gharazi ịbụ iwu na a ga na-amụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị so kpalite ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ na-enye ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ mahadum. Abịa n'ogo digiri nke mbụ na Mahadum Naịjirịa, Nsụka, e mere ka ụfọdụ ụmụakwụkwọ na-agụ n'afọ nke mbụ nakwa afọ nke abụọ na-eme GSP 207 (Philosophy, Logic and Human Existence with Selected Topics in/on Igbo Language) na GSP 208 (Nigerian Peoples and Culture with Selected Topics on Igbo Culture) bụ nke ọmụmụ asụsụ Igbo nọ n'ime ya mana imirikiti ụmụakwụkwọ e jighị ya kpọrọ ihe ọbụla. Ọtụtụ anaghị abịa klasị n'oge ọmụmụ asụsụ Igbo ma ụfọdụ ndị bịara anaghị ege ntị kama ha na-eji oge ahụ apị ekwentị ha maọbụ eme ihe ndị ọzọ masịrị ha oge ọmụmụ na-aga n'ihu.

Ọ bụ ọnọdụ a ka ndị nchọcha hụchara were nwee mkpali n'ime nchọcha n'isiokwu a bụ adịmike ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ Mahadum Naịjirịa, Nsụka nke Steti Enugwu nwere n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche nchọcha bụ adịmike ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ Mahadum Naịjirịa, Nsụka nke Steti Enugwu nwere n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Nchọcha a ga-elebazi anya kpọmkwem n'ihe ndị a:

a. Ịchọpụta ka ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka.
b. Inyocha ka ihe ndị na-ebute ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka.
c. Ileba anya ka ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ nchọcha ndị a ka e wepụtara maka nchọcha.

a. Kedụ ka akparamagwa ọjọọ ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka?
b. Kedụ ka ihe ndị na-ebute ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka?
c. Kedụ ka ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka?

Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Sọvee nkọwa dị ka Nworgu (2015) kọwara bụ ụzọ e si enweta ngwa nchọcha gbasara ụfọdụ ọnụọgụgụ nke ga-abụ nnọchite anya mmadụ niile ọkachasị mgbe ọnụọgụgụ buru ibu. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na ụdị nchọcha a na-enye aka iji mee nkọwa gbasara ndịnisiokwu dị iche iche nke ọma.

Ụdị nchọcha a bụ nchọcha sọvee nkọwa dị mkpa ma kwesi ekwesi maka nchọcha a n'ihi na nchọcha a na-eleba anya na adịmike ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ Mahadum Naịjirịa, Nsụka nke Steti Enugwu nwere n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ebe nchọcha a bụ na Mahadum Naịjirịa, Nsụka nke okpuru ọchịchị Nsụka, Steti Enugwu, Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa. A mara okpuru ọchịchị Nsụka na ngụta akwụkwọ, ịkọpụta nri dị iche iche dịka ji, akpụ, ose, aṅara, akịdị na akwụkwọ nri.

Ndị e jiri mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ nọ na afọ nke mbụ na afọ nke abụọ na-eme digiri nke mbụ na Mahadum Naịjirịa, Nsụka n'afọ agụmakwụkwọ 2022/2023 n'ihi na ọ bụ ha ka a na-akụziri asụsụ Igbo. Ọnụọgụ ndị e ji mee nchọcha dị puku asaa, narị asatọ na iri ise na asaa (7,857). E ji usoro pasenteji họrọ ụmụakwụkwọ dị puku abụọ, narị atọ na iri ise na asaa (2,357) bụ pasenti iri atọ bụ ndị ga-anọchite anya ụmụakwụkwọ nọ n'afọ agụmakwụkwọ e mere nchọcha a.

Ngwa nchọcha e ji weta aziza (ozi) bụ njụaza. Njụaza ndị ahụ bụ nke ndị nchọcha ji aka ha mepụta site n'ajụjụ nchọcha. Njụaza a bụ maka ụmụ akwụkwọ – Adịmike Ajọ Akparamagwa Ụmụakwụkwọ Mahadum Naịjirịa, Nsụka nwere N'ọmụmụ Asụsụ Igbo (AAAỤMNNNAI) nke dị iri abụọ na otu n'ọnụọgụ. Njụmaza a nwere nkeji A na nkeji B. Nkeji A na-egosi ozi gbasara ụmụakwụkwọ ebe nkeji B nwere nkeji atọ nwere ajụjụ iri abụọ na otu.

E ji akara ngosi anọ wee zaa njụaza ahụ. Ha bụ Ekwesiri m Ike (EI - akara anọ), Ekwere m (E - akara atọ), Ajụrụ m (A - akara abụọ) na Ajụsiri m Ike (AI - otu akara).

Data e nwetara bụ nke a e nyochara, tulee ma gosikwa na tebulu nke sitere n'ajụjụ nchọcha. E ji usoro miin na nzipu n'izugbe (SD) wee hazie ihe a chọpụtara. Ndịna ajụjụ nwere akara miin bidoro na 2.50 gbagowe ka a ga-ekwenye mana nke pekarịrị 2.50 bụ nke agaghị ekwenye.

Nchọpụta

Ajụjụ Nchọcha nke Mbụ: Kedụ ka akparamagwa ọjọọ ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka?

Tebul nke Mbụ: Ọsịsa Miin na Ndịpu N'izugbe ka Akparamagwa Ọjọọ Ụmụakwụkwọ si dị Ike N'ọmụmụ Asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka

N/I	AJỤJỤ	MIIN	SD	NKỌWA
1.	Anaghị m abịa ọmụmụ mgbe a na-akụzi asụsụ Igbo ka etu m si abịa ihe ọmụmụ ndị ọzọ	3.34	0.71	Ekwenyere
2.	Naanị mgbe masịrị m ka m na-aga ọmụmụ asụsụ Igbo	3.37	0.75	Ekwenyere
3.	Enweghị mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo	3.21	0.68	Ekwenyere
4.	Ihe ọmụmụ/kọọsụ ndị ọzọ na-amasị karịa ọmụmụ asụsụ Igbo	3.38	0.72	Ekwenyere
5.	Obi m anaghị anabata ọmụmụ asụsụ Igbo	3.05	0.63	Ekwenyere
6	Amaghị m agụ akwụkwọ ọgụgụ n'ọmụmụ asụsụ Igbo	2.90	0.61	Ekwenyere
Nchịkọta		**3.21**	**0.52**	**Ekwenyere**

Tebul nke mbụ gosiri ọsịsa miin na ndịpu n'izugbe ka akparamagwa ọjọọ ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka. Site na tebul, ndị zara ajụjụ kwenyere n'ajụjụ 1, 2, 3, 4, 5, na 6 ndị nke nwere akara miin 3.34, 3.37, 3.21, 3.38, 3.05 na 2.90 n'otu n'otu na akparamagwa ọjọọ ụmụakwụkwọ dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka. N'otu aka ahụ, nchịkọta nke nwere akara miin 3.21 gosikwara na ndị zara ajụjụ kwenyere na akparamagwa ọjọọ ụmụakwụkwọ dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka.

Ajụjụ Nchọcha nke Abụọ: Kedụ ka ihe ndị na-ebute ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka?

Tebul nke Abụọ: Ọsịsa Miin na Ndịpu N'izugbe ka ihe Na-ebute Ajọ Akparamagwa Ụmụakwụkwọ si dị Ike N'ọmụmụ Asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka

N/I	AJỤJỤ	MIIN	SD	NKỌWA
7.	O nweghị uru dị n'ịmu asụsụ Igbo	3.23	0.73	Ekwenyere
8.	Anaghị akụzi Igbo n'ụlọakwụkwọ mahadum	2.49	0.66	Ekwenyeghi
9.	Ihere na-eme ịbịa ọmụmụ asụsụ Igbo	3.48	0.60	Ekwenyere
10.	Anaghị m aghọta ihe a na-akụzi n'asụsụ Igbo	3.69	0.52	Ekwenyere
11.	Enweghị m akwụkwọ ọgụgụ ga-enyere m n'ọmụmụ asụsụ Igbo	3.05	0.73	Ekwenyere
12.	Enweghị m mmasị ịzụ akwụkwọ e dere n'asụsụ Igbo	3.50	0.64	Ekwenyere
13.	Asụsụ Igbo abụghị asụsụ jikọtara ndị Naijiriịa ọnụ	3.42	0.69	Ekwenyere
Nchịkọta		**3.27**	**0.38**	**Ekwenyere**

Tebul nke abụọ gosiri ọsịsa miin na ndịpu n'izugbe ka ihe ndị na-ebute ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka. Site na tebul, ndị zara ajụjụ kwenyere n'ajụjụ 7, 9, 10, 11, 12 na 13 ndị nke nwere akara miin 3.23, 3.48, 3.69, 3.05, 3.50 na 3.42 n'otu n'otu ka ihe ndị na-ebute ka ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijirịa, Nsụka.

N'aka nke ọzọ, ndị zara ajụjụ ekwenyeghị n'ajụjụ 8 nke nwere akara miin 2.49 na anaghị akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ mahadum so n'ihe na-ebute ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ ji dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo ha na Mahadum Naijirịa, Nsụka.

N'otu aka ahụ nchịkọta nke nwere akara miin 3.27 gosikwara na ndị zara ajụjụ kwenyere na ihe ndị na-ebute ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo ha na Mahadum Naijirịa, Nsụka.

Ajụjụ Nchọcha nke Atọ: Kedụ ka ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijirịa, Nsụka?

Tebul nke Atọ: Ọsịsa Miin na Ndịpu N'izugbe ka Ajọ Akparamagwa Ụmụakwụkwọ si dị Ike N'ọmụmụ Asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka

N/I	AJỤJỤ	MIIN	SD	NKỌWA
14.	A gaghị enwe ọtụtụ ndị na-asụ asụsụ Igbo n'ọdịnihu	2.88	0.48	Ekwenyere
15.	Ọnụọgụgụ ndị ntorobịa na-asụ asụsụ Igbo ga-epe nnukwu mpe	2.65	0.58	Ekwenyere
16.	Ị bụ onye Igbo na - enye ugwu na nsọpụrụ	2.14	0.65	Ekwenyeghi
17.	Asụsụ Igbo agaghị enwe nnabata dị elu n'ọdịnihu	2.51	0.62	Ekwenyere
18.	Mkpọrọmasị nye ọmụmụ asụsụ Igbo ga na-aga n'ihu	3.33	0.69	Ekwenyere
19.	Ndị nkuzi Igbo ga-adị ụkọ n'oge dị n'ihu	3.39	0.68	Ekwenyere
20.	Asụsụ Igbo anaghị ebuli mmadụ n'ogo dị elu	3.60	0.66	Ekwenyere
21.	Ndị ntorobịa oge ugbu a agaghị n'asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo	3.52	0.69	Ekwenyere
Nchịkọta		**3.00**	**0.38**	**Ekwenyere**

Tebul nke atọ gosiri ọsịsa miin na ndịpu n'izugbe ka ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ si dị ike n'ọmụmụ asụsụ na Mahadum Naijirịa, Nsụka. Site na tebul dị n'elu, ndị zara ajụjụ kwenyere n'ajụjụ14, 15, 17, 18, 19, 20 na 21 ndị nke nwere akara miin 2.88, 2.65, 2.51, 3.33, 3.39, 3.60 na 3.52 n'otu n'otu na ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijirịa, Nsụka.

N'aka nke ọzọ, ndị zara ajụjụ ekwenyeghị n'ajụjụ 16 nke nwere akara miin 2.14 na ị bụ onye Igbo na-enye ugwu na nsọpụrụ so n'ihe na-ebute ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ ji dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo ha na Mahadum Naijirịa, Nsụka.

N'otu aka ahụ kwa, nchịkọta nke nwere akara miin 3.00 gosikwara na ndị zara ajụjụ kwenyere na ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriạ, Nsụka.

Mkparịtaụka N'ihe a Chọpụtara

Nchọpụta nchọcha gosiri na akparamagwa ọjọọ ụmụakwụkwọ na-akpa dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Nchọpụta nchọcha a dabara na nchọpụta Nwigwe na Ekwenze (2017) nke kọwara na mmadụ na-enwe mmasị n'ihe, n'ihi ihe ọ ga-erite dị ka uru n'ihe ahụ o nwere mmasị na ya. Ọ bụ ezie maka na a chọpụtara na ụmụakwụkwọ anaghị enwe ezigbo mmasị n'ihe gbasara ọmụmụ asụsụ Igbo nke mere na ha anaghị abịa mgbe a na-amụ maọbụ akụzi ya. Ụmụakwụkwọ na-eche na o nweghị uru ọbụla ọmụmụ asụsụ Igbo ga-abara ha na ndụ ha n'ọdịnihu n'ihi ya ihe ọmụmụ maọbụ kọọsụ ndị ọzọ kacha amasị ha. N'ịga n'ihu, ọnọdụ ndị dị etu a na-enweta ndọghachi aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjiriạ, Nsụka.

N'ịga n'ihu, nchọpụta gosikwara na ụmụakwụkwọ kwenyere na o nweghị uru ọbụla ha ga-enweta n'ịmụ asụsụ Igbo tinyere na ihere na-eme ha ịbịa ọmụmụ asụsụ Igbo. Echiche Nwigwe na Ekwenze (2017) kọwara na mmadu na-enwe mmasị n'ime ihe, maka ihi ihe ọ ga-erite dị ka uru na ya. Nchọpụta Nwigwe na Ekwenze na nchọpụta nke a dabara adaba nke ọma maka na ụmụakwụkwọ kwenyere na o nweghị uru ọbụla ha ga-erite n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ kwenyere na ha anaghị aghọta ihe a na-akụzi nke a bụ n'ihi na ha enweghị mmasị ịmuta ihe ọbụla a na-akụzi n'asụsụ Igbo.

Nchọpụta Ezema na Obayi (2020) kwadorokwara na ụmụ akwụkwọ na-emeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ ma ọ bụrụ na ha nwere mmasị n'asụsụ ahụ nke ga-eme ka ha tinye uchu na mmụọ ịnụ ọkụ n'ịmụ ya were nwee ike irite elele na ya. A chọpụtakwara na nke a so were mee na ụmụakwụkwọ anaghị azụta akwụkwọ e dere n'asụsụ Igbo bụ akparamagwa ụmụakwụkwọ mụtara n'aka ndị nne na nna ha mere ka ha ghọta na e nweghị ebe e ji asụsụ Igbo eje.

N'otu aka ahụ, nchọcha chọpụtakwaziri na akparamagwa ọjọọ a ụmụakwụkwọ Mahadum na-akpaso ọmụmụ asụsụ Igbo ga-enwetara ntolite na nkwalite asụsụ Igbo nlaghachi azụ n'ebe ọ dị ukwuu. Ọ ga-eme na ndị ga na-asụ asụsụ Igbo n'ọdịnihu ga-epe nnukwu mpe. Nke a bụ n'ihi na ndị ntorobịa ugbu a na-agbara ịmụ ma ịsụ asụsụ Igbo ọsọ. Ilechukwu na Iheme (2018) kwuru na enweghị mmasị ụmụaka Igbo n'ọmụmụ asụsụ Igbo bụ maka na ndị nne na nna na ndị nlekota ụmụaka anaghị enye ha ohere ịsụ na ịkparịta nkata n'asụsụ Igbo. Echiche Ilechukwu na Iheme darara na nchọpụta nchọcha a. Ụdị akpọrọmasị asị a n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị ga-eme na ọtụtụ ụmụaka na-etolite etolite agaghị enwe mmasị ịgụ na ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ Mahadum n'ọdịnihu site n'enweghị ndị nkuzi Igbo. Nke a kpatara e ji dọọ aka na ntị ka ndị nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha asụsụ n'ụlọ n'ihi na ọ bụ ezinaụlọ ka ụmụaka na-ebu ụzọ amụta asụsụ epum ha.

Mmechi

Site na nchọpụta nchọcha a, ndị nchọcha mere ụfọdụ mkpebi ndị a: a ga-ahụta na ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ nwere mmetụta dị ike n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjiriạ, Nsụka. Ụmụakwụkwọ anaghị enwe ezigbo mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na ha na-eche na o nweghị uru ọbụla ọmụmụ asụsụ Igbo ga-abara ha na ndụ ha n'ọdịnihu. Ọnọdụ ndị dị etu a na-enweta ndọghachi aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjiriạ, Nsụka.

Ọzọkwa, nchọpụta gosikwara na ụmụakwụkwọ na-eme ihere ịbịa ọmụmụ asụsụ Igbo ihi na echiche ha bụ na o nweghị uru dị na ya. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ gosipụtara na ha anaghị aghọta ihe a na-akụzi n'oge ọmụmụ asụsụ Igbo, nke a bụ n'ihi na ha enweghị mmasị ịmụta ihe ọbụla a na-akụzi na ya. Ụmụakwụkwọ azụtaghị akwụkwọ e dere n'asụsụ Igbo, nke a bụ akparamagwa ụmụakwụkwọ mụtara n'aka ndị nne na nna ha mere ka ha nwee akpọmasị n'ebe asụsụ Igbo nọ.

N'otu aka ahụ, nchọcha chọpụtakwaziri na akparamagwa ọjọọ a ụmụakwụkwọ Mahadum na-akpaso ọmụmụ asụsụ Igbo ga-enwetara ntolite na nkwalite asụsụ Igbo nlaghachi azụ n'ebe ọ dị ukwuu. Ọ ga-eme na ndị ga na-asụ asụsụ Igbo n'ọdịnihu ga-epe nnukwu mpe maka na ndị ntorobịa ugbu a na-agbara ịmụ ma ịsụ asụsụ Igbo ọsọ. Enweghị mmasị ụmụaka Igbo n'ọmụmụ asụsụ Igbo bụ maka na ndị nne na nna na ndị nlekota ụmụaka anaghị enye ha ohere ịsụ na ịkparịta nkata n'asụsụ Igbo. Ụdị akpọrọmasị asị a n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị ga-eme na ọtụtụ ụmụaka na-etolite etolite agaghị enwe mmasị ịgụ na ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ Mahadum n'ọdịnihu site n'enweghị ndị nkuzi Igbo. Nke a kpatara ndị nchọcha ji adọ aka na ntị ka ndị nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ n'ihi na ọ bụ ezinaụlọ ka ụmụaka na-ebu ụzọ amụta asụsụ epum ha bụ nke ga-enye aka kwụsị ajọ akparamagwa ụmụakwụkwọ na-agụ na Mahadum Naịjirịa, Nsụka n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị.

Ntụnye Aro

Site na nchọpụta nchọcha a, mmechị na mpụtara, ndị nchọcha tụnyere aro ndị a:

1. Aro ndị nchọcha bụ ka ndị isi n'ụlọakwụkwọ Mahadum na ndị nhazi ihe ọmụmụ dị n'aka kewapụta oge maka ọmụmụ asụsụ dịka ihe ọmụmụ izuzugbe (General Studies) na Mahadum Naijirịa, Nsụka.
2. Ndị nchọcha na-atụkwa aro ka ndị nne na nna na-asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ bụ nke ga-eme ka ha nwee mmasị n'ịsụ na n'ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ Mahadum ọkachasị na Mahadum Naijirịa, Nsụka.
3. Ka Gọọmenti Mahadum Naijirịa, Nsụka mapụta otu ụbọchị n'afọ agụmakwụkwọ ọbụla iji na-akọwara ma na-akụzikwara ụmụakwụkwọ mkpa ọ dị n'ịga na n'ịmụ ihe ọmụmụ izuzugbe okachasị n'asụsụ Igbo.
4. Ndị isi ụlọakwụkwọ kwesịrị iguzobe ihe nrite puru iche maka nwaakwụkwọ kacha mee nke ọma n'asụsụ Igbo kwa afọ ọbụla nakwazi inye ya ọrụ nkụzi ozugbo ọ gụchara akwụkwọ.

Nchikọta Nchọcha

Ndị nchọcha chọpụtara na-enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'ịsụ asụsụ Igbo na-ebute enweghị mmasị ha n'ịmụ ya n'ụlọakwụkwọ Mahadum. Ndị nkuzi, ndị nne na nna tinyere ndị niile o metụtara na nwakịrị ga-amụta asụsụ Igbo ga-ebido mgbe ọ dị na nwata asụrụ asụsụ Igbo nke bụ asụsụ epum ya.

Ndị nne na nna ga-amalite na-azụtara ụmụ ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo dịka ha na-azụtara ha ndị e dere n'asụsụ Bekee mgbe nọ n'ụlọakwụkwọ nta. Ọzọkwa, ka ndị nne na nna na ndị nlekota ụmụaka na-enye ha ohere ịsụ na ịkparịta nkata n'asụsụ Igbo mgbe ọbụla na ebe ọbụla, ma n'ezinaụlọ ma n'ụlọakwụkwọ. Ya mere, ọ bụrụ na e tinye ihe ndị a niile a kpọgasịrị aha n'ọrụ, ọ ga-akwụsị ajọ akparamagwa ma wulite mmasị ụmụakwụkwọ Mahadum Naijirịa, Nsụka na Steti Enugwu elu n'ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ.

Nrụaka

Anigbo, H. U. & Okoli, A. L. (2016). *Ntọala asụsụ na ọgụgụ ederede Igbo*. Nigeria: Longman.

Ebubechineke, I. (2020). Mmetụta ngwakọ asụsụ epum na asụsụ Bekee n'ikuzi sọm n'ụlọakwụkwọ praịmarị. In *Ekwe jọnal nke ndị Igbo scholars forum, Nigeria.* 13 (1). March, 2020. ISSN: 2476-8448. 1-23.

Eze, R. I. & Umo, C. U. (2021). *Ụtọasụsụ na omenaala Igbo maka siniọ sekọndịrị* (Mbigharị). Lagos: Merit International Publishers.

Eze, R. I. (2020). *Nka usoro nchọcha n'asụsụ Igbo*. Nsukka: Chuka Educational Publishers.

Eze, R. I. (2022). Olu asụsụ ebe obibi ụlọ na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị siniọ n'ịkpọpụta mkpụrụokwu asụsụ Igbo na zoon mmụta Agwu Steeti Enugwu. In *Ideal international journal of Igbo scholars forum, Nigeria.* 15 (2). July, 2022. ISSN: 2476-8421. 92-111.

Ezema, C. A. & Aboh, S. C. (2020). Mmetụta nsụmede n'iwu nsụpe n'ebe mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nọ. In *Ikenga international journal of Institute of African Studies*. 21 (1 & 2). March, 2020. ISSN: 2006-4241. 110-117.

Ezema, C. A. & Obayi, J. I. (2020). Adịmire mmasị na nsụmede asụsụ Igbo n'ebe mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ. In *Ikoro journal of contemporary studies*. 14 (1). March, 2020. ISSN: 0046-859-2. 78-84.

Ezema, C. A., Chineke, S. O. & Ude, F. U. (2021). Mmetụta olundịna mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ule asụsụ Igbo na zoon mmụta Nsụka In *Igbo scholars international journal of Igbo scholars forum, Nigeria.* 14 (1). March, 2021. ISSN: 2476-843X. 138-152.

Federal Republic of Nigeria (2015). *National policy on education* (revised), Lagos: Federal Government Press.

Ilechukwu, D. I. & Iheme, J. O. (2018). Ụmụaka Igbo enweghị mmasị n'asụsụ Igbo: Mkpatara na mgbochi ya. *Odezuruigbo jọnal,* 2(1), 168-182.

Kind, P. M., Jones, K. & Barmby, P. (2007). Developing attitudes towards science measures. *International journal of science education.* 29(7), 871-893.

Nwadike, I. U. (2008). *Igbo language in education: An historical study.* Uruowulu - Obosi: Pacific Publishers.

Nwigwe, N and Ekwenze, C (2017). Mwulite nka okwukwu nye ụmụ akwụkwụ na-amụ Igbo dịka asụsụ epum (Igbo L1): Ntụta aro ụfọdụ. *Journal of linguistics, language and culture, Vol 4(1)*

Nworgu, B. G. (2015). *Educational research basic issues and methodology.* Ibadan: Wisdom Publishers Ltd.

Nwozuzu, G. I. (2015). Agbamboọ ndị Igbo na nkwalite asụsụ na omenala ha. A paper presented at the 9th Chief Ọgbalụ memorial lecture held at Nnamdi Azikiwe University, Awka

Sapir, E. (2021). *Language.* Berkeleky: University of California Press.

Udensi, P.E (2009). Ọnọdụ asụsụ Igbo na-ebe o metụtara amụmamụ 6-3-3-4. Undergraduate project, Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka.

Ugwuoke, P. E, Eze, R. I, & Akaeze, C. M (2021). Itule na ikuzi omenaala alụmalụ ndị Igbo site n'agụmagụ Udokamma n'ogo sekọndịrị nta. In *Intenational Sapienta Global Journal of Arts, Humanities and Development (SJOJAHDS)* 4(2).